# NRARAARAARA JISỌS NYE NA IKPÉ AMAỤGHA

## Matiu 26:47-68; 27:1, 2, 11-26

### IHEỌ̀MỤ̀MỤ̀ 63 - Nke Ndị etiti

**AMAOKWU IBUN'ISI: "Eledara ya anya, ọ bu kwa onye madu rara aka; onye nwere ọtutu ihe-ngbu na onye mara ọria nke-ọma" (Aisaia 53:3).**

**Ejidere Jisọs Dị ka Onyemkpọrọ**

Kraist emeriwo n'agha Ya nke imemmụọ site n'igbu ikpere n'ekpere nye Nna Ya, ụdị ekpere ahụ nke ọsịsọ gbara Ya, dị ka óké ọkpụrụkpụ ọbara. Ma ugbu a O biliri were nwayọ jee Ya na ndị náesoụzọ Ya izute onyeiro ahụ. Ọ gwara ndị náesoụzọ Ya na onye ahụ nke náarara Ya nye nọ nso; ma tupu O kwubie okwu, igwè ndịagha nke ndị Rom na ndị ọjọọ nke ndị odeakwụkwọ na ndị Farisii bịara, náeji mmaagha na osisi. Judas onye náedu igwè mmadụ ahụ wee gbaa ọsọ n'iru ijé isutu Jisọs ọnụ. Aga echè na óké ihere gaeme ya n'ihi omume anọgidesighịike ya, na ọ gaghị achọ ka onye ọ bụla nime ndị náesoụzọ Kraist hụ́ ya, kama nke a so kwa ná mkwekọrịta nke ya na ndị isi nchụàjà kwekọrịtara.

Jisọs abụrụworị onye dị nwayọ nwe kwa obiọma n'ebe mmadụ niile nọ. O jegharịrị náeme iheọma. Ma ugbu a ndịiro Ya bịara n'ọchịchịrị náejide Ya dịka onye mkpọrọ, na dịka onye náeme iheọjọọ. Jisọs alụsoghị ha ọ̀gụ̀; kama ọ dị ihe dị ike banyere ijide Ya. Mgbe ọ bụla ndị isi nchụàjà zigaara ndị mmadụ ijide Jisọs, mgbe ha laghachịrị, náejideghị Ya, náánị ihe ngọpụ ha naabụ na "Ọ digh mgbe ọ bula madu kwuru okwu di otú a" (Jon 7:46). Okwu ọnụ Ya achụghachiwo ndị ahụ bịara ijide Ya. Ọbụná ugbu a nime ogige ahụ, ebe igwè ndị ajọ mmadụ nọ, ha laghachiriàzụ̀ wee daa n'ala mgbe Jisọs gwara ha na ọ bụ Ya bụ onye ha naachọ. O karịrị mmadụ. Ọ bụ Ọkpara Chineke, nwee kwa ike niile n'Eluigwe na nke dị n'eluụwa ma ọ bụrụ na Ọ chọrọ iji ya mee ihe. Ọ gaghị ekweworị ka ndị ajọ mmadụ a kee Ya agbụ. Chineke ga ezitewori Ligion (ùsù) iri na abụọ nke ndị mmụọozi (nke bụ ihe dị ka puku iri asaa 70,000 maọbụ karị) nke otù nime ndịa gaenweworị ike ibibi ndịiro Kraist site náánị n'imetu ha aka. Kama nke a abụghị uche Chineke. "Oge hour" nke Onyenzọpụta eruwo, agaje kwa igbu Ya dịka Nwaatụrụ Ngabiga.

**Adịghike Nke Mmadụ ma Ewezuga Chineke**

Were ndị mmụọozi ahụ Jisọs gaakpọworị tụnyere mmaagha ntakịrị ahụ nke Pita. Náánị ihe Pita pụrụ ime bụ ibipụ ntị onye náeje ozi. Otú a ka adịghị ike anyị si dị mgbe anaeji ya tụnyere ike nke Chineke anyị. Otú ọ dị, asị na ọ bụ uche Chineke na ndị náesouzọ Ya gaalụrụ Onyenwe ha ọ̀gụ̀, otù onye gaemeworị ihe dị ukwuu. "Ọ buru na Chineke diri ayi, ònye nēmegide ayi?" (Ndi Rom 8:31); na "Otù nwoke nime unu nāchu nnù ndikom abua na ọgu-iri: n'ihi na JEHOVA, bú Chineke-unu, Ya onwe-Ya bu onye nāluru unu ọ̀gù" (Joshua 23:10). Óké igwè ndịagha ahụ na mmaagha na ubè ha agaghị apụ ime ihe ọ bụla ma asị na ọ bụ uche Chineke na Kraist gaagbanarị ha.

Jisọs kwere ka ndịagha ahụ duru Ya jee n'ụlọ ikpè; ndị náesoụzọ Ya niile wee gbanarị Ya. Jisọs, Onye chụrụ àjà kachasị ukwuu nke apụrụ ịchụ -- O nyere ndụ Ya n'ihi ndịiro Ya -- ọ dị ka O nweghị otù enyi ná oge hour ahụ nke Ọ chọrọ inyeaka kachasị ukwuu. Ànyị agaghị ahụ Onyenzọpụta n'anya n'ihi ụgwọ ahụ Ọ kwụrụ?

**Ndị àmà Ụgha**

Na mbụ, eduru Jisọs gaa n'ụlọ onyeisi nchụàjà. Akpọrọ ndị àmà ịbịa kwueokwu megide Jisọs, ma ọ dịghị onye ahụrụ, n'ihi na ọ dịghị ihe ọjọọ ọ bụla O mere. Emesịa ndị àmà ụgha abụọ guzoro ma ha abụọ ekwekọrịtaghị ọbụná na àsị́ ha na àsị́. Ịgbaàmà ha agaghị abụworị ihe agaewere, kama iwe naewe ndị Ju nke ukwuu nke mere na ha mere dịka agaasị na ọ dị dịka iwu si dị. Otù nime ndị ahụ na agbaàmà kwuru na Jisọs sịrị "Mu onwem gākwatu ulo nsọ a nke ejiri aka me, n'ụbọchị atọ M'gēwu kwa ulo ọzọ nke anējigh aka me" (Mak 14:58). Ma nke a abụghị ihe Jisọs kwuru. Okwu Ya bụ "kwatunu ulo nsọ a, n'ubọchi atọ, M'gēweli kwa ya elu" (Jọn 2:19). Ọ naekwu ihe banyere arụ nke Ya Onweya, wee náekwu na otù onye ga ebibi ya, kama Ya Onweya gaenwe ike iweli ya elu ọzọ. Ọ dịghị ihe O kwuru banyere iwu ụlọ.

Ọzọ, Onyeisi nchụàjà gwara Jisọs ka Ọ gbaaàmà megide Onweya. Nke a kwa naemegide usoro iwu nke ndị Sanhendrin, bụ́ nnọkọ ahụ nke naachị ndị Ju. Ọbụná asị na mmadụ kwenyere na ya bụ onye ikpé mara, agaghị ewe àmà ọ naagba megide onweya. Apụrụ ịma ya ikpè náánị site n'àmà eziokwu nke mmadụ abụọ ndị ọzọ nke kwekọrịtara.

Ndị ahụ bụrụ Jisọs ọnụmmiri n'iru, ha tiri Ya ihe; ha gwara Ya okwu naenweghị nsọpụrụ. Ihe ndịa niile naemegide usoro iwu nke ndị Ju. Anaewere onye ọ bụla ejieji na o meghị ihe ọ bụla rue mgbe achọpụtara na o mere ihe ahụ; kama iwe ndị ahụ mere ha ka ha chefue ihe niile anaeme dịka iwu si dị.

Nkwupụta Kraist kpasuru onyeisi nchụàjà ahụ iwe nke ukwuu na ọ dọwara uwe ya, wee nye iwu ka emee ka Jisọs nwụọ. N'ezie ndị Ju ekwekọrịtaworị nka n'etiti onweha tupu amalite ikpé ahụ. Ikpé ahụ bụ náánị ihe ngosi anaahụ́ anya iji zaa ajụjụ ọ bụla agaajụ banyere mkpọgbu ahụ nke dị ngwangwa.

**Ngọnarị  Nke Pita**

Òlee ebe Pita nọ mgbe Onyenzọpụta na ahụ́ ahụhụ nke mweda n'ala a? O soworị n'ebe dị anya, ịmata ihe gaje ime, ọ nọ kwa n'ọnọdụ dị egwù. Nke mbụ, o cheghị nche, kpee kwa ekpere, ọzọ kwa o soro Jisọs n'ebe dị anya. Ndịa bụ nzọụkwụ abụọ nke anyị niile naaghaghị ịgba mgbá iguzogide. Mgbe anyị rapụrụ ikpé ekpere na ịgụ Okwu Chineke – iso Onyenweanyị naakparịta ụkà -- ohere dị ukwuu naabata n'etiti anyị na Onyenzọpụta; ọ bụrụ kwa na anyị agaa n'iru n'ụzọ dị otú a, anyị gaemesi gọnarị Onye-ahụ nke gbapụtara mkpụrụobi anyị.

Mgbe ọnwụnwa bịakutere Pita, o nweghị ike iguzo. Náání nwaagbọghọ naeje ozi boro ya ebubo ịbụ onye naesoụzọ Jisọs, o wee gọnarị. Nke a bụ Pita onye kwuru okwu na nganga na ya gaje ịnwụ n'ihi Jisọs. Lee otú anyị si bụrụ ndị naadịghịike maọlị mgbe anyị naatụkwasịobi n'ịdịike nke onweanyị! N'oge naadịghị anya ndịọzọ matakwara Pita, o wee gọọ kwa na ọ dịghị mgbe ya matara Jisọs. N'ikpèàzụ iwe were ya nke ukwuu na ọ ñụrụ iyi duo kwa ikwù.

**Ịkwà ákwà nke Otù Ókéọkụkụ**

Na mberede, ma eleghịanya, nye Pita n'olu dị elu dịka égbèeluigwe, otù ókéọkụkụ wee kwaa ákwà. Gịnị mere nke a ji mee ka ọ maa jijiji? N'ihi na Jisọs adọwo yarị akanántị sị tupu okéọkụkụ akwàákwà na Pita gaagọnarị Ya ugbò atọ. Jisọs nụkwara olu ókéokụkụ ahụ mgbe ọ kwarà, wee tụgharịa anya mwute Ya n'ebe onye ahụ nwere ịnụọkụ n'obi náesoụzọ Ya nọ, ma ọ dịghị ike. O, lee ụdị mwute nke Pita nwere! Ọ matara na Onyenwe ya kwuru eziokwu n'ebubo Ya niile megide Ya; o wee pụọ n'èzí kwaa ákwá dị ilu.

Ma olileanya dịrị Pita. O chègharịrị. Ọ bụghị ịdị ukwuu nke mmehie ha gaemechiri ndị mmehie ụzọ ịbà n'Eluigwe, kama ọ bụ ịjụ ichègharị. Pita chègharịrị ewee zọpụta ya , o wee mesịa bụrụ ide ná nzukọ ahụ, wee mee ka ndị náesoụzọ Kraist ndịọzọ dịike. N'ụbọchị Pentikọst, mgbe ọ natasịrị ọwụwụmmiri nke Mmụọ Nsọ, o kwuru okwu Chineke dị ebube na azọpụtara puku mmadụ atọ n'otù ụbọchị ahụ. Mgbe ọtụtụ arọ nke ịlụọlụ n'ikwesị ntụkwasịobi gasịrị, egburu ya n'ihi Kraist ahụ onye ọ gọnarịwororị otù mgbe.

**Ikpé Ekpebiri Ngwangwa**

Rue ugbu a, ọ bụ n'ụlọ Kaiafas ka anọ náekpé ikpe ahụ, ma n'isi ụtụtụ ewee kpebie na Jisọs kwesịrị ọnwụ. Dịka iwu ndị Ju si dị, ekwesịrị ikpé ikpé ahụ rue ụbọchị atọ; agaanụ olu okwu n'ụbọchị nke abụọ, ndị ikpé ahụ gaeme ihe ntà ọ bụla ha nwereike ime ka obi ha wee pụọ n'ikpé ahụ, n'ụbọchị nke atọ ha gaezukọta wee kwue ihe ha kpebiri. Ọ bụrụ na onye ikpe naekwugide onye ahụ anaebo ebubo, ọ pụrụ ịgbanwe obi ya; ma ọ bụrụ na o kwuworị na "ikpe amaghị ya" na mgbe mbụ, ọ pụghị ịgbanwe nke a nke pụtara na anaenye onye ọ bụla ohere ka ọ laa dịka onye ikpé náamaghị. Ma ikpé ekpere Jisọs adịghị otú ahụ. Ekpere ya ngwangwa nime 'hour' olenaole n'abalị.

**Ọ Dị ghị  Iheọjọọ Jisọs Mere**

Ndị Ju nọ n'okpuru ọchịchị nke ndị Rom, ikpé ọ bụla nke metụtara ịnwụanwụ kwesịrị ijé n'aka ndị Rom ka ekpebie ya. Ya mere n'isi ụtụtụ, ìgwèmmadụ ahụ ndị iwé naewé kuuru Onyemkpọrọ ha jee n'ụlọ ikpé Pailat. Mgbe Pailat na Jisọs kwuchara okwu nwa oge, ọ sị "Ahughm ihe kwesiri ahuhu nmehie n'aru Nwoke a." Nke a adịghị ndị Ju mma. Ha chọrọ ka Pailat maa Ya ikpé ọnwụ n'okwuọnụ ha, náekpeghị ikpé ahụ nkeọma. Ọ̀ gaabụ na Pailat apụghị ịtụkwasịobi n'okwu ha?

**Kraist n'iru Herod**

Mgbe Pailat nụrụ na Jisọs si na Galili pụta, o wee chee na ya pụrụ ịrapụ ikpebi ihe ọ bụla site n'izigara Ya Herod, onye bụ onyeisi ọchịagha nke ndị Rom n'akụkụ obodo ahụ. Obi dị Herod ụtọ ịhụ́ Jisọs n'ihi na ọ nụwo banyere ọlụebube dị icheiche Ọ lụrụ, wee náeche na ya gaahụ́ ihe dị ebube. Ma Onyenweanyị adịghị alụ ọlụebube Ya iji mee ka obi tọọ ndị náachọ ịhụ́ ihe ịrịbaàmà ụtọ. Mgbe Jisọs gbara nkịtị n'ebubo niile nke Herod boro Ya, ndịagha mere Ya ihe ọchị, wee yibe Ya uwe ododo, wee náeme ka ha naenye Ya nsọpụrụ. Herod achọghị ikpebi ihe ọ bụla, ya mere na akpọghachiri Jisọs n'iru Pailat.

**Jisọs kaọbụ Barabas?**

N'oge a nwunye Pailat arọwo nrọ̀ ọjọọ, egwù naatụ̀ ya na ọ bụrụ na Pailat amaa Jisọs ikpe ọnwụ, óké nsogbu gaabịakwasị ha. Egwù tụkwara Pailat, o wee cheta na ọ bụ omen'ala ịrapụ otù onye Ju eji n'ụlọmkpọrọ arọ ọ bụla n'oge Ngabiga. Eleghịanya, ọ rọpụtara nwoke jọkasịrị njọ ọ pụrụ icheta, onye gburu mmadụ nke mewokwara ka obi lọọ ndị mmadụ mmiri; o wee gwa ndị Ju ka ha were otù, maọbụ nwoke ọjọọ ahụ maọbụ Jisọs, ka ha chọrọ. O chere n'ezie na ha gaachọ Jisọs, kama ha tiri mkpu sị "wepu nwoke a ma rapuru ayi Barabas." Pailat chere na obi ha gaajụrụ ma ọ bụrụ na ya apịa Jisọs ụtarị; mgbe ahụ ọ gaenwe ike ịrapụ Ya, kama ha niile tisịrị mkpu ike sị "kpọgide Ya n'obe." (Ọ bụ kwa ihe náemegide iwu ha ịpịa mmadụ ụtarị tupu ekpebie ikpe).

Pailat matara n'onweya na Jisọs bụ̀ Onye eziomume, ma o nweghị agbamume iguzo n'ihe ahụ ọ maara na ọ bụ ihe ziriezi. Ọ tụrụ egwù ndị ahụ. O guzoro n'iru ha wee kwọọ aka ya abụọ iji gọpụ onweya n'iru omume ọjọọ ahụ ọ naeme, ma ikpéọmụma ya n'iru Chineke bụ ihe anaapụghị ịsachapụ.

**Ahụhụ nke Ndị  Ju**

Ndị Ju sịrị, "Ọbara-Ya di ayi n'isi, di kwa n'isi umu-ayi." Asị na ha maara ihe ha naekwu! N'oge náadịghị anya mgbe Jisọs nwụsịrị, ebibiri Jerusalem, ndị Ju wee hụ́ óké ahụhụ dị egwù. Dịka onye akụkọ anaakpọ Josefus si dee, egburu ha mmadụ otù nde na otù narị puku (1,100,000) wee dọrọ puku mmadụ iri na asaa (97,000) n'agha. Nke ahụ bụ náánị mmalite nke ihe mgbu ha. Ha ka nọkwa nime ahụhụ rue taa n'ihi na ha amataghị Mesaia ha mgbe Ọ bịara, wee were obi ọjọọ maá ya ikpé ọnwụ ihere bụ́ ọnwụ nke obe. Mgbe Jisọs gaabịa ọzọ, ndị Ju gaamata Ya, ha gaetikwara Ya aka n'obi "bú Onye ha mapùworo" (Zekaraia 12:10).

**AJỤJỤ DỊ ICHEICHE**

1. Ònye raara Jisọs nye? N'ihi ego ole?
2. Òlee ebe ìgwemmadụ ahụ iwé naewé chọtara Jisọs, n'oge dị añaa nke ụbọchị?
3. Gịnị mere ndị náesoụzọ Jisọs mgbe ejidere Ya dịka onyemkpọrọ?
4. Èkpere Jisọs ikpè nkeọma?
5. Gịnị ka ha kpebiri, ahụhụ gịnị ka ha si na Ọ gaahụ́?